# AMỤMAMỤ 6-3-3-4 NA ỌNỌDỤ ASỤSỤ N'ỤLỌ AKWỤKWỌ SEKỌNDỊRỊ

Si N'Aka
**Peace Ebere Udensi**
Humanities Unit, School of General Studies,
University of Nigeria, Nsukka
Email: ebere.udensi@unn.edu.ng
Phone: 08162529356

Na
**Joy Ifeadikanwa Obayi (Ọkm.)**
Humanities Unit, School of General Studies,
University of Nigeria, Nsukka
Email: joy.obayi@unn.edu.ng
Phone: 08065132008

**Ụmị edemede**

*Asụsụ Igbo bụ asụsụ agaghị ahapụ ahapụ n'obodo Naijịrịa. Nchọcha a lebara anya na "Amụmamụ 6-3-3-4 Na Ọnọdụ Asụsụ n'Ụlọ Akwụkwọ Sekọndịrị". Amụmamụ 6-3-3-4 bụ usoro e wepụtara nke na-achịkwa usoro ọmụmụ na obodo Naijịrịa, nke gụnyere ịgụ primari afọ isii, gaa sekọndịrị nta afọ atọ, gụọ sekọndịrị ukwu afọ atọ ma gakwa mahadum gụọ afọ anọ. Usoro ọmụmụ a kwesịrị ka a na-agbaso ya dị ka o kwesịrị. Mbunuche ndị nchọcha bụ ịchọpụta ka e si agbaso usoro amụmamụ a bụ 6-3-3-4 n'Aba, Abia steeti, iji mee ka amụmamụ asụsụ Igbo gaa n'ihu dị ka o kwesiri. Ọ ga-achọkwa ịmata ebe a naghị eme nke ọma nakwa usoro ka mma iji kụzie asụsụ ọ kachasị n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị. A na-ahụta na, ọmụmụ asụsụ Igbo anaghị aga n'ihu dị ka o kwesịrị n'ihi na ụfọdụ ụlọ akwụkwọ anaghị akụzi asụsụ n'ụlọ akwụkwọ ha ebe ndị nke na-akụzi ya, e nweghị ndị nkụzi tozuruoke, nakwa ngwa nkụzi zuru oke maka nkụzi asụsụ. Ọzọ, ụfọdụ ndị nkụzi asụsụ Igbo anaghị agbaso ihe ndị e depụtara na kọrịkụlụm maka nkụzi.nke a mere n'ọtụtụ ụmụ akwụkwọ sekọndịrị anaghị enwe ike ịsụ ma ọ bụ dee asụsụ Igbo. Ọ bụ nsogbu ndị a kpaliri mmụọ ndị nchọcha ime nchọcha a, iji chọpụta ụzọ e nwere ike iji mee ka ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị gaa n'ihu dị ka o kwesiri. Usoro a gbasoro wee nweta njatule e ji mee nchọcha a bụ site na njụmaza. Ndị nchọcha ji ndị nkụzi 83 nọ n'ụlọakwụkwọ 26 dị n'Aba, Abia steeti mee nchọcha a. Site na nchọcha a, ndị nchọcha chọpụtara na ndị nkụzi ụfọdụ anaghị eme ihe ha kwesịrị ime n'ihi na ha na-ahapụ ikụzi ihe dị na kọrịkụlụm ma họro naanị ndị diiri ha mfe. Nchọcha a bunyekwara uche ihe ga-eme ka amụmamụ a gaa n'ihu dị ka ndị a: O kwesiri ka gọọmenti Abia steeti na gọọmenti etiti, bụ ndị na-ahụ maka mmụta gbaa mbọ ihụ na a na-akụzi ihe ndị*

*dị na kọrịkụlụm dị ka o kwesiri site n'ime nnyocha ndị nkụzi na akọrọngwa nkụzi. Ndị gọọmenti ga-agba mbọ ikwalite ụlọ akwụkwọ site n'ime ka ha nweta akọrongwa na ngwa nkụzi ha chọrọ nke ga-eme ka nkụzi na-aga n'ihu dị ka o kwesịrị.*

**Igodo Okwu: Asụsụ Igbo, Amụmamụ asụsụ Igbo na Amụmamụ 6-3-3-4.**

## 1.0 Okwu mmalite

Obodo anyị bụ Naijịrịa agabigala usoro amụmamụ dị iche iche. Agụụ nke ime ka ọnọdụ agụmakwụkwọ bụrụ nke zuru oke n'obodo anyị bụ Naijịrịa emeela ka e nwee ọtụtụ mgbanwe di iche iche. Ọtụtụ n'ime mgbanwe ndị a malitere mgbe ndị gọọmenti ala anyị buuru ihe gbasaraagụmakwụkwọ n'isi. Ụfọdụ n'ime mgbanwe agụmakwụkwọ ndị a gụnyere: usoro agụmakwụkwọ ọdịnaala, usoro agụmakwụkwọ alakụba, iwu amụmamụ nke Lugard (1914-1919), iwu Clifford (1926), akụkọ kọmishọn Elliot (1945) akwụkwọ usoro iwu mmụta (1997) bụ nke e sitere na ya wee hiwe amụmamụ 6-3-3-4.

Ndozighari agụmakwụkwọ ndị a niile nwere echiche pụrụiche nke nwereike iweta mgbanwe ana-atụanya ya nye usoro agụmakwụkwọ na Naijịrịa. (Okeogeoghene, 2020). Nke a butere mgbanwe oge nke agụmakwụkwọ dị ka ọ na-adibu kwa afọ. Ọ bụ n'afọ 1973 ka a gbanwere usoro agụmakwụkwọ nke na-ebidobu n'ọnwa mbụ nke afọ bụ Jenụwari, ruo n'ọnwa ikpeazụ nke bụ Disemba dị ka ndị ọcha weteere anyị agụmakwụkwọ n'ala anyị siri mee ya, wee mezie ka usoro agụmakwụkwọ bụrụ nke ga-amalite n'ọnwa iteolu nke afọ ma kwụsị n'ọnwa asaa nke afọ na-eso ya. E mere nke a ka o wee daba n'usoro agụmakwụkwọ nke ndị mahadum ala Bekee.

Nchọcha nke Okeogeoghene (2020) mere ka a mata naagụmakwụkwọ na obodo anyị bụ Naijịrịa taa hiwere isi n'usoro amụmamụ 6-3-3-4,nke malitere n'afọ 1988, nke e jiri nọchite anya usoro agụmakwụkwọ ochie bụ usoro amụmamụ 6-5-4. Usoro agụmakwụkwọ 6-5-4 lekwasirianya na nkụzi maka ọdimma nke mmadu. Ọ bụ n'ihi n'usoro amụmamụ 6-5-4 emezughị ebumnuche eji hiwe ya mere eji wepụta usoro amụmamụ 6-3-3-4. Na mgbanwe usoro agụmakwụkwọ 6-3-3-4, a na-atụ anya na nwa amaala Naijịrịa ọbụla ga-anọ afọ isii n'ụlọ akwụkwọ praịmarị, afọ atọ na juniọ sekọndịri, nọkwa afọ atọ na siniọ sekọndịri ma banye mahadum ebe ọ ga-ano afọ anọ wee jiri nzere digrii pụta. Ọ bụ ezie na amụmamụ 6-3-3-4 nwere ebumnuche ime ka onye ọ bụla gụrụ akwụkwọ n'usoro a nwee ike iji aka ya rụpụta ihe do iche iche, nke ga-eme ka ụkọ ọrụ aka dị iche iche kwụsilata n'ala anyị mgbe na-adịghị anya, ma ndị nkụzi nwekwara nsogbu n'ebe nkụzi asụsụ Igbo dị, tụmadị n'ụlọ akwụkwọ praimari. Mana, amụmamụ 6-3-3-4 mere ka ọ bụrụ iwu na a ga-akụzirịrị asụsụ Igbo bido n'ụlọ akwụkwọ primari wee ruo na sekọndịrị, ma

ruokwa akụkụ ala anyị ndị na-adịghị anụ asụsụ Igbo. Isi sekpụntị e ji wepụta usoro ọmụmụ 6-3-3-4 bụ ime ka ọnọdụ agụmakwụkwọ bụrụ nke ga-adabara onye ọ bụla n'agbanyeghị ogogo ha, ime ka obodo anyị nweta nnukwu akụna ụba site n'agụmakwụkwọ ya na ime ka obodo anyị bụ Naijịrịa burụ ebe ndị mmadu ga-enwe ọganihu digasị iche iche iji mee ka ebumnuche usoro agụmakwụkwọ 6-3-3-4 bịa na mezu.

A bia n'ebe o metụtara asụsụ Igbo, mbunuche ndị gọọmenti gbasara amụmamụ 6-3-3-4 dị ka ọ dị n'akwụkwọ nzipụta usoro agụmakwụkwọ nke Naijịrịa niile (NPE, 1998), kwuru na ọmụmụ asụsụ Igbo bụ ihe a na-aghaghị ikuzi n'ụlọ akwụkwọ nta bụ primari na nke ukwu bụ sekọdịrị, n'ihi na ha hụtara asụsụ Igbo, Hausa na Yoruba dị ka asụsụ ara nne nke aga-eji akụziriri ihe n'ụlọ akwụkwọ anyị di iche iche, iji nyeaka ime ka ebulite nkụzi sayensi na nka na uzu, bụ isi sekpụnti e jiri hiwe amụmamụ 6-3-3-4 n'obodo anyị bụ Naijịrịa.Bido na mgbe a malitere amụmamụ 6-3-3-4 n'afọ maateghete iri asatọ na abụọ (1982), e nwere ọtụtụ ihe mkpọbiụkwụ nke mere na ebumnuche e ji hiwe amụmamụ a abiabeghị na mezu n'obodo anyị bụ Naijịrịa, ọ kachasị n'Aba, Abia steeti. Na mbụ, ahụmihe na-eme ka anyị maranaejighị ule sekọndịrị nta kpọrọ ihe dị ka ọ dị n'ule sekọndịrị ukwu. Steeti ọ bụla na-ahazi ule ha dị ka ha siri chọọ. Nke a mere na ọ bụghị ndị sekọndịrị nta niile na-ele ule dị ka o kwesiri nke ụlọ akwụkwọ sekọndịrị ndị dị n'Aba bụ otu n'ime ha.

Ọzo, ọmụmụ asụsụ Igbo adịghị aga n'ihu dị ka o kwesịrị n'ihi na ndị nkụzi ole na ole e nwere adịghị agbaso usoro ọmụmụ ihe e depụtara na kọrikulum, nke mere na ha adịghị enwetacha ebumnuche e jiri hiwe amụmamụ 6-3-3-4. A na-ahụta amụmamụ a dị ka nke dị oke ọnụ n'ihi n'ụfọdụ ụlọakwụkwọ enweghị ezigbo akọrọngwa na ngwa nkụzi aga-eji kuzie asụsụ Igbo. Ọnọdụ a wee bụrụ nke dị egwu n'ihi na ụmụ akwụkwọ adịghị enwekwa mmasi na ọmụmụ asụsụ, tụmadị asụsu Igbo. Ọ nsogbu ndị a kpalịrị mmụọ ndị nchọchaa ime nnyocha, iji chọpụta ma ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwo sekọndịrị ndi a, ọ na-emezu ebumnuche e jiri hiwe amụmamụ 6-3-3-4, nakwa ịtụnye uche maka ọganihu nke ọmụmụ asụsụ Igbo.

Isi sekpụ nti na nchọcha a bụ izipụta ọnọdụ asụsụ Igbo n'ebe o metụtara amụmamụ 6-3-3-4, site n'igbakwasi ukwu n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị ndị dị n'Aba. N'ihi ihe ndị a, ndị nchọcha chere na ọ bụ ihe dị oke mkpa ilebanye anya n'ebumnuche ndị a: Nke mbụ bụ:
ichọpụta ma usoro e ji akụzi ihe ndị e zipụtara na kọrịkụlụm ọhurụ nke Igbo n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị, ha dabara adaba dị ka ebumnuche eji hiwe amụmamụ 6-3-3-4 si dị. Ebumnuche nke abụọ bụichọpụta ihe nhịamahụ dị iche iche ana-enwe site n'ikuzi asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị ndị a, bidorịị na mmalite nke amụmamụ 6-3-3-4.

Site na nnabata nke sitere n'akwụkwọ nzipụta usoro agụmakwụkwọ Naijịrịa niile (NPE), nabatara asụsụ Igbo dị ka otu n'ime asụsu ala anyị bụ Naijịrịa nke a na-aghaghị ikuziri ụmụ akwụkwọ bido n'ụlọ akwụkwọ nta bụ primari ruo n'ụlọ akwụkwọ ukwu bụ sekọndịrị, ndị nchọcha a nwere olile anya na nchọcha a dị ka o siri metụta asụsụ na amụmamụ 6-3-3-4 ga-abụ ihe pụtara ihe dị iche ma ọ bụ dị mkpa na ụlọ akwụkwọ sekọndịrị dị na ngalaba na-ahụ maka mmụta n'Aba.Nke mbụ, nchọcha a ga-enyere gọọmenti etiti, steeti na ndị nke okpuru ọchịchị na otu ndị ọzọ na-esoghị gọọmenti na-ahụ maka mmụta na agụmakwụkwọ aka iwepụta usoro ọmụmụ asụsụ Igbo dabara adaba nke ga-anọ ọtụtụ oge na nkwekọrita na olille anya nke ụmụ akwụkwọ, ndị nkụzi na ọha na eze.

Ọzọkwa, ọ ga-enyekwa aka ime ka ndị ọchichi mata mkpa ọ dị bụ inye ndị mara ihe ekwe na-akụ n'asụsụ Igbo ma bụrụkwa ndị ji nzere zuruoke maka nkụzi asụsụ Igbo ọrụ iji mee ka ọ dị mfe bụ ikuzi asụsụ Igbo otu o kwesiri n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị, nke ka nke na ngalaba na-ahụ maka mmụta n'Aba.Ọmụmụ a nke bụ maka iji zipụta ọnọdụ asụsụ Igbo n'ebe amụmamụ 6-3-3-4 dị, na-anọchite anya ihe karịrị ụlọ akwụkwọ iri anọ na otu (41), e nwere na ngalaba na-ahụ maka mmụta n'Aba. N'otu aka ahụ, ebe ọzọ elebara anya gunyere nnyocha gbasatara ihe ndị ezipụtara na kọrikụlọm nke asụsụ Igbo dị ka ebumnuche e ji hiwe amụmamụ 6-3-3-4 si wee dị nakwa ụfọdụ nsogbu ana-enwe n'ikuzi asụsụ Igbo n'ulọ akwụkwọ sekọndịri ndị dị na ngalaba na-ahụ maka mmụta n'Aba, n'Abia steeti.

## 2.0 Ntulegharị Agụmagụ

Ọrụ anyị ebe a bụ ịtụlegharị ederede ndị maara ihe ekwe na-akụ n'isi okwu a.

## 2.1 Ntuleghari Agụmagụ Maka Nkọwa Amụmamụ 6-3-3-4

Agụụ nke ime ka ọnọdụ agụmakwụkwọ bụrụ nke zuru oke n'obodo anyị bụ Naijịrịa emeela ka e nwee ọtụtụ mgbanwe dị iche iche nke amụmamụ 6-3-3-4 bụ otu n'ime ha. Uwaifo na Uddin (2009), kwuru n'amụmamụ 6-3-3-4 malitere n'afọ 1983. Ha kwurukwara na isi sekpụ ntị e ji hiwe amụmamụ a bụ iji ya wee kwado ndị ntorobịa ala anyị, ime ka ha nwe aka ọrụ dị iche iche. N'ịkwagide nke a, Fafunwa (2013) hụtara agụmakwụkwọ dị ka ọnọdụ nwere onwe pụọ n'amaghị ihe nakwa enweghị akọnauche nke ụmụ mmadụ. A bịa n'amụmamụ 6-3-3-4, a na-atụ anya na nwata akwụkwọ ọ bụla ga anọ afọ isii na primary, afọ atọ na sekọndịrị nta, afọ atọ na sekọndịrị ukwu ma gazie na mahadum gụọ afọ anọ.Ebumnuche e ji hiwe usoro amụmamụ a bụ ka e wee site na ya zụpụta ndị ntoroọbịa ala anyị, bụ ndị ga-eji nzere dị mma pụta na mahadum ma nwekwa aka ọrụ, nke ga-eme ka ha n'agba mbọ maka ọdịmma nke obodo anyị.

## 2.2 Ntulegharị Agụmagụ Maka Ihe Ndị Mmadụ na-ekwu na Otu 6-3-3-4 si a ga n'Aba

Na nso nso a, ọ bụrụla ihe doro ewu na ọkụkọ anya na ọganihu nke usoro amụmamụ 6-3-3-4 gbadoro ụkwụ na nnabata nke ọha na eze na ndị nkụzi bụ ndị na-etinye ya n'ọrụ. Na nkọwa nke Gbenedio (1999), "Ọ bụ naanị onyenkụzi nwere ike ikpebi ọganihu ma ọ bụ ọdịda nke ihe ọmụmụ ọ bụla e hiwere gbasara asụsụ, n'agbanyeghị ebe ya bụ ihe ọmụmụ hiwere isi". N'ịtụkwasịna nke a, Opoola (2007) kwuru na, ndị nkụzi ga-abụ ndị, ga-enwe ike ihọrọ usoro nkụzi ga-akpali mmụọ ụmụ akwụkwọ ma mekwa ka ha nwee mmasị n'ihe ọmụmụ. Ha ga-abụ ndị ga-enwe ike iwebata usoro nkụzi ọgbara ọhụrụ na nkụzi ha, nke ga-eme ka ọ dị mfe inwete ihe mmụta a na-atụ anya ya, karịa inọgide n'otu usoro nkụzi ochie, nke na-agaghi amịta mkpụrụ ọ bụla. N'ebe o metụtara asụsụ Igbo, onyenkụzi kwesịrị ihazi ihe ọ ga-akụzịrị ụmụ akwụkwọ otu ọ ga-abụ ihe ntụziaka dabara nke ọma, site n'ịgbazi ụmụ akwụkwọ olu, n'ụzọ kwesịrị ekwesi, nke ha ga-eji nwee ike inwete nka kwesịrị maka ọmụmụ asụsụ dị ka; ige nti, ikwu n'ọnụ, ide ede na igụ agụ, ebe ọ bụ na nghọta dị otu a ga-enyere ha aka ime nke ọma n'agụmakwụkwọ ha nakwa n'ime ndụ ha.

N'otu aka ahụ, dị ka Rowland na Birkett (1992) siri kwuo, "ịchịkọta ụmụ akwụkwọ nọ n'otu klass, ọkachasị n'ụlọ akwụkwọ ndị dị n'Aba, ga-abụ ihe dị mfe ma ọ bụrụ na a ga-enwe mkpachapụanya n'ihazi ihe omume nke ga-eme ka ha nwee mmasị, mgbanwe dị iche iche, ma kpalikwa mmụọ ha n'ebe nkụzi na mmụta di. Agụọkagbue (1994) gbadoro ụkwụ n'echiche a wee kwuo na "ọ bụrụ na e nwere ike iji usoro nkụzi nke egwuregwu wee kụzie ihe, ọ ga-enyere ụmụ akwụkwọ aka ighọta ihe a na-ekwu nke ọma n'oge, na-enweghị mgbakasị ahụ ọ bụla, n'ihi na ọ na-akpali mmụọ ha inwe mmasị mgbe e ji usoro dị iche iche akụzi ihe na klass.N'aka nke ọzọ, Idonor (2010) kwuru n'otu n'ime nsogbu nke amụmamụ 6-3-3-4 nwere ọkachasị n'Aba bụ nke sitere n'aka ngalaba na-elekọta agụmakwụkwọ. O kwuru na o kwesiri ka a na-enye onye ọ bụla ohere agụmakwụkwọ, ma onye ukwu ma onye nta. Ojerinde lebakwara anya n'ihe gbasara ọnọdụ e nweghị oge agụmakwụkwọ doro anya, wee kwuo na gọọmentị kwesịrị ime ka ọnọdụ a dị ka o kewsịrị.

## 2.3 Ntuleghari Agụmagụ Maka Uru Amụmamụ 6-3-3-4

Nchọpụta na-eme ka a mara na e nwere uru nke a na-enwete site n'amụmamụ 6-3-3-4. Okeogeghene (2020) kwuru na otu n'ime uru nke amụmamụ 6-3-3-4 bara ọkachasị n'Aba bụ na ọ na-enyeaka ime ka e nwee ọganihu, idi n'otu ma ka ndị mmadụ nwee afọ ojuju n'ebe usoro ọmụmụ a dị. Amụmamụ 6-3-3-4 na-atụziri obodo anyị bụ Naijịrịa aka na-ebe o metụtara omenaala, ndọrọndọrọ nakwa akụnauba nke obodo anyị bụ Naijịrịa. Igbuzor (2006) na nkọwa nke ya kwuru n'agụmakwụkwọ bụ ihe kwesiri ka o ruo nwa afọ Naijịrịa ọ bụla aka n'agbanyeghị ogogo ma ọ bụ ọnọdụ mmadụ ọ bụla. Obani (1996) kwuru

naagụmakwụkwọ na-enyeaka iwulite obodo. A na-atụ anya n'ụlọ akwụkwọ anyị dị iche iche ọkachasi ndị dị n'Aba ga-agba mbọ izụpụta ndị ntoroọbịa anyị nke ọma n'ihe ghasara nka na uzu nakwa aka ọrụ ndị ọzọ digasi iche iche nke ga-eme ka akụnụba obodo n'abawanye. Amụmamụ 6-3-3-4 nyere aka ime ka ụfọdụ ebumnuche nke nzipụta usoro agụmakwụkwọ nke Naijịrịa niile (NPE) bịa na mezu.Usoro agụmakwụkwọ a azụpụtala ndị nwere ike inye iwu ma mee ihe ga-abara obodo uru.

## 2.4 Ntuleghari Agụmagụ Maka Kọrịkụlụm E ji Akụzi Ihe

N'agbanyeghị mbọ niile nke gọọmenti etiti na steeti gbara maka iwepụta kọrikụlọm e ji akụzi asụsụ Igbo n'amụmamụ 6-3-3-4, n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị niile dị n'obodo anyị bụ Naijịrịa, ụfọdụ ndị ọka mmuta na-eche na ihe ndị e depụtara na kọrịkụlụm banyere asụsụ di iche iche, dị ka; Igbo, Bekee,nakwa asụsụ abụọ ndị ọzọ a họpụtara na Naijịria, erijughị afọ n'ihi n'ụfodụ ihe nhịamahụ ma ọ bụ nsogbu dị iche iche. Offorma (1999) kwuru na site na mmalite nke amụmamụ 6-3-3-4, n'obodo anyị bụ Naijịrịa, o kwesiri ka e nwee mgbanwe nke kọrịkụlụm n'ebe o metụtara asụsụ ndị a na-akụzi n'ụlọ akwụkwọ. Ọ gakwara n'ihu kwuo na e lebaraanya na kọrịkụlụm ochie, wee tụpụta uche nke ga-eme ka kọrịkụlụm ọhụrụ a bụrụ nke ga-aga n'ihu karịa ma nyekwara ụmụ akwụkwọ aka inwete ezigbo nghọta nke a na-atụ anya n'aka ha.

Ọzọ, Adebola (1999),kwuo na "ọtụtụ ụmụ akwụkwọ adịghị enweta ndụmọdụ na nkwado a na-atụ anya n'aka ụmụnne ha, ndị buru ha ụzọ gụọ akwụkwọ n'ihi na ndịa amaghị ihe dị n'ime ya bụ kọrịkụlụm ọhụrụ a. Mgbe ụfọdụ, enweghị ezigbo nkwado nke ụmụ akwụkwọ na-esikwa n'aka ndị nkụzi ha, ndị nwere mmụta dị iche n'ebe usoro nkụzi nakwa ihe dị na kọrịkụlụm ọhụrụ dị, nke mere ka ọ bụrụ ha ihe nhịamahụ ikuziri ụmụ akwụkwọ ha. Nke a n'egosi n'ọtụtụ ndị nkụzi aghọtaghị ihe ndị e depụtara na kọrịkụlụm ọhụrụ e ji akụzi asụsu Igbo.

## 2.5 Ntulegharị ihe e merela n'isiokwu

Ugan (2017), mere nchọcha gbasara amụmamụ 6-3-3-4 n'ebe o metụtara ụlọ akwukwọ sekọndịrị nta n'Abakalịkị. Nchọcha a hiwere isi n'ịchọpụta uru nke kọrịkụlụm e ji akụzi ihe na sekọndịrị nta bara n'ebe amụmamụ 6-3-3-4 dị. E nwetara njatule e jiri mee nchọcha site na njụmaza na ajụjụọnụ. Nchọpụta na-egosi na ụmụakwụkwọ ndị gụcharala ụlọakwụkwọ sekọndịrị nta adịghị enwtazu ihe ana-atụanya ya n'usoro agụmakwụkwọ a. Nchọpụta a bara uru nye nchọcha a n'ihi na ọ ga-enyeaka ilebanya na-ebe usoro amụmamụ 6-3-3-4 dị, iji chọpụta nsogbu nke ụmụakwụkwọ n'ebe usoro ọmụmụ a dị.

Oyelere (2015), mere nchọcha nke ya n'ebe o metụtara uru nke usoro amụmamụ 6-3-3-4 bara na Naijịrịa. Nchọcha a lebaraanya n'ichọpụta ma ebumnuche eji hiwe amụmamụ a ọ na-agakwa n'ihu dị ka o kwesiri. Nchọputa gosiri n'usoro

amụmamụ 6-3-3-4 na-eme ka ndị mmadụ na-enwe ọrụ aka dị iche iche nke bụ otu n'ime ebumnuche eji hiwe ya. Nchọpụta a dabara nke ọma n'isiokwu nchọcha n'ihi na ọ ga-enyeaka igosipụta ụfọdụ nsogbu nke amụmamụ ọhụụ a nwere.

Ọffọrma (1999) mere nchọcha banyere kọrịkụlụm e ji akụzi ihe n'ụlọ akwụkwọ, tumadị asụsụ French. Ọ hụtara na site na mmalite nke amụmamụ 6-3-3-4, n'obodo anyị bụ Naijịrịa, o kwesiri ka e nwee mgbanwe nke kọrịkụlụm n'ebe o metụtara asụsụ ndị a na-akụzi n'ụlọ akwụkwọ nke *French* bụ otu n'ime ha. Ọ gakwara n'ihu na-ekwu na e lebara anya na kọrịkụlụm ochie, wee tụpụta uche nke ga-eme ka kọrịkụlụm ọhụrụ a bụrụ nke ga-aga n'ihu karịa ma e nyekwara ụmụ akwụkwọ aka inweta ezigbo nghọta nke a na-atụ anya n'aka ha.

Salami (1999) na ntulegharị nke o mere ghasara kọrịkụlụm nke asụsụ Naijịrịa n'ụlọ akwụkwọ jịnịọ sekọndịrị a kpọrọ L2 gosiri na usoro atọ a na-agbaso n'ikuzi asụsụ dị ka; asụsụ, agụmagụ na omenala kwụ chim, na ahazikwara isiokwu ha nke ọma dị ka o kwesiri n'otu n'otu, na tam na tam. Ọ rụtụkwara aka na ụfọdụ ihe mkpọbiụkwụ dị iche iche nke mere ka ụmụ akwụkwọ ghara ihụta kọrịkụlụm a dị ka ezigbo atụmatụ nke kwesịrị mmejupụta. Dị ka o siri kwuo, ụfọdụ ihe ndị a bụ; enweghị ezigbo ebumnuche eji hiwe ihe ọmụmụ, oke ọchịchọ n'ebe ihe a ga-akụzi dị nakwa enweghị ezigbo usoro nke e ji anwale ụmụ akwụkwọ na ụfọdụ ihe a kuziri.

Okoro (1993) na Ụwameiye (2000), mekwara nchọcha nke ha n'ebe ngalaba *vocation na technical courses* dị. Nchọcha a mere ka a mata na oge e nyere maka nkụzi Igbo anaghị ezu ma ọlị maka na ihe dị na kọrịkụlụm karịrị akarị. Nchọcha a yiwegara Okeke (1999), nke na-ekwu na kọrịkụlụm asụsụ Igbo na-egosi na isiokwu ndị dị ka; nkejiasụsụ,akara ụdaolu nakwa iba ụba nke asụsụ ahụ na-abụ ihe siri ike n'ịkụzị, nke mere na ndị nkụzi adịghị akụzicha ihe ndị a na-atụ anya n'aka ha ikuzi tupu afọ agwụ.

Egwim (2005), mere nchọcha nke ya na-ebe o metụtara ọmụmụ asụsụ Igbo wee chọpụta na enweghị mmasị n'ebe ndị na-asụ asụsụ nọ, ndị na etozughị oke n'ebe ihe gbasara ọtọgrafịị na akwụkwọ ọgụgụ nke e dere n'asụsụ ha nọ, enweghị kọrịkụla na kwa ndị nkụzi a zụrụ nke ọma socha n'ụfọdụ ihe ndị kpatara na a dighị akụzi ụfọdụ asụsụ Naijịrịa n'ụlọ akwụkwọ anyị dị iche iche. N'otu aka ahụ kwa, Okeke (1999), mere nchọcha ya banyere ọmụmụ asụsụ Igbo wee depụtasịa ụfọdụ ihe nramahụ ụmụ akwụkwọ sekọndịrị na-amụ asụsụ Igbo na-enwegasị n'ule WASC, nke ọ chọpụtara site n'afọ 1991-1993, ha gụnyere ihe ndị a:

i. Enweghịike iji Igbo izugbe kọwapụta ebumnuche ha.
ii. Igwakọta Igbo izugbe na olundị, nakwa okwu Bekee n'edemede ha.

iii.Enweghị ike isụpe okwu nke ọma
iv. Amaghị ọtọgrafị ọhụrụ nke e ji eme ihe ọmụmụ Igbo n'oge ugbu a.
Ọtụtụ ndị nkụzi asụsụ Igbo na-eji asụsụ Bekee edepụta ihe ha ga-akụzi ma werekwa Bekee na-akụzi ya.

Nchọcha ndị a dabara nke ọma n'isiokwu nke ndị nchọcha na-elebanya n'ihi na ha niile na-arụtụaka n'ihe gbasara ọnọdụ asụsụ Igbo n'ebe o metutara ọmụmụ asụsụ Igbo.

## 3.0 Usoro Nchọcha

Ọ bụ ụdị nchọcha sovee ka e ji mee nchọcha a, iji mee ka ọ dịrị ndị nchọcha mfe inweta ụsa ha na-atụ anya ya n'ebe ndị ha ga-ajụ ajụjụ nọ, site n'iji ajụjụ ederede. Nnyocha a ga-enyeaka ime ka a mata ọnọdụ asụsụ Igbo, n'usoro ọmụmụ 6-3-3-4, ọ kachasị site n'ilekwasị anya n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị ndị dị na ngalaba na-ahụ maka mmụta n'Aba, na steeti Abịa. E mere nnyocha n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị iri abụọna isii n'ihe karịrị ụlọ akwụkwọ sekọndịrị iri anọ n'otu n'ime local gọọmenti itoolu dị na ngalaba na-ahụ maka mmụta n'Aba. Nke a bụ maka ụlọ akwụkwọ sekọndịrị nke ọha na eze, ndị na-eme ihe ọmụmụ asụsụ Igbo. Ụlọ akwụkwọ ndị a siterena gọọmentị ime obodo itoolu nke mejupụtara ngalaba na-ahụ maka mmụta n'Aba. Ha gunyere ndị a;

(a) Aba North, (b) Aba South, (c)Osisiọma Ngwa, (d) Obiọma Ngwa
(e) Ụkwa East, (f) Ụkwa West, (g) Isialangwa South, (h) Isialangwa North
(i) Ugwunagbọ

Ndị e ji mee nchọcha a bụ ndị nkụzi iri asatọ na atọ, ndị na-akụzi asụsụ Igbo ma nwee ọkwa dị iche iche, n'ụlọ akwụkwọ sekọndịri iri abụọ na isii, ndị eji mee nchọcha. Aha ụlọ akwụkwọ ndị a họrọ bụ ndị a
(i)Akwaete Secondary Technical, Akwaete
(ii) All Saint Secondary School, Aba.
(iii) Asa High School, Asa
(iv) Boys College Osisiọma
(v) Community Girls Secondary School, Abayị
(vi) Eziama High School, Aba
(vii) Girls High School, Aba.
(viii) Girls Secondary School Abayị
(ix) Girls' Secondary Commercial, Aba.
(x) Ihieọrjị Secondary School, Aba.
(xi) Ịtungwa ịtukpa Secondary School
(xii) Mvọsị Secondary School, Mvọsị
(xiii) National High School, Aba.
(xiv) National High School, Azụmini
(xv) Ngwa High School, Aba.

(xvi) Ntiṅa Grammar School, Ntiṅa(xvii) Ọhabịam Secondary School, Aba.
(xviii) Okporo Ahaba Secondary School
(xix) Ọsụsụ Boys Secondary School, Aba
(xx) Ọvọm Girls Secondary School, Aba.
(xxi) Saint Joseph's College, Aba.
(xxii) Ụlasị Girls Secondary School.
(xxiii) Ụmụagbaị Secondary School, Aba.
(xxiv) Ụmụekechi High School, Asa
(xxv) Ụmụọha Community Secondary School
(xxvi) Wilcox Memorial Secondary School, Aba.

Ndị nchọcha jiri ụlọ akwụkwọ sekọndịrị ọha na eze iri abụọ na isii, n'ime ihe karịrị ụlọ akwukwọ sekọndịrị iri anọ n'otu nke dị na mpaghara dị iche iche na local gọọmenti itoolu nke mejupụtara ngalaba na-ahụ maka mmụta n'Aba. E nwetara ụlọ akwụkwọ sekọndịrị ndị e jiri mee nchọcha a site n'ịgbaso usoro nsere e zubere maka nchọcha a. Ọzọ, eji ndị nkụzi niile na-akụzi asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ sekondịrị iri abụọ na isii ahụ n'ihi na ọnụọgụgụ ha ebughị ibu. A hazịrị njụmaza nchọcha a n'usoro nhọrọ ụzọ anọ, nke 'Ekwesịrị m ike', 'Ekwere m', 'Ajụrụ m' na 'Ajụsiri m ike'. Nke ọ bụla n'ime ihe ndị a e depụtara nwere makị nke ya. Anọ bu maka 'Ekwesiri m ike', atọ maka 'Ekwere m', abụọ maka 'Ajụrụ m' na otu 'Ajụsiri m ike', iji nyere ndị zara njụmaza aka ịza ihe bụ uche ha.

E lebara ngwa nchọcha a anya nke ọma n'ụzọ nnyocha ngwa nchọcha, iji mara ma ọ na-enyochakwa ihe a chọrọ ka o nyochaa, iji kpebie maka izuoke nke ajụjụ ederede ndị e depụtara. Ajụjụ ndị a bụ ndị e depụtara n'usoro ka e nyere ndị nkụzi abụọ bụ a kwaa a kwụrụ n'ịkụzi asụsụ Igbo na ngalaba asụsụ Igbo nakwa otu onye ọkachamara na ngalaba *MeasurementandEvaluation* nke Mahadum Naijiria nke dị na Nsụka maka ndụmọdụ ha.Iji gosi ntụkwasiobi e nwere n'ebe ngwa nchọcha dị, ndị nchọcha were ụfọdụ njụmaza ndị a nye ndị nkụzi iri atọ bụ ndị na-akụzi asụsụ Igbo n'ụfọdụ ụlọ akwụkwọ sekọndịrị ndị dị na ngalaba na-ahụ maka mmụta n'Aba, Abịa steeti. A gbasoro usoro nwale nnyocha, nwalekwa ọzọ, iji chịkọta iberibe data nchọcha.Ndị nchọcha jiri aka ha wee kesaa njụmaza a, nye ndị nkụzi asụsụ Igbo iri asatọ na atọ, n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị iri abụọ na isii ndị dị na ngalaba na-ahụ maka mmụta n'Aba, Abịa steeti**.**Njatụle enwetara site n'ikesa njụmaza ka ahaziri dị ka ajụjụ nchọcha nke ọ bụla si dị site na iji *mean*. *Mean* dị 2.50 bụ nke a nabatara dị ka ndị mere nke ọma n'ajụjụ ederede.

## 4.0 Ntụcha Nchọcha

Ọ bụ n'ebe a ka anyị mere ntụcha nchọcha iji nweta mkpebi ebumnuche nchọcha anyị.

**4.1 Usoro iji nwee mkpebi**

Usoro ndị a ka e ji kọwaa ma nwekwa mkpebi maka ihe ndi a chopụtara na nchọcha a.Ọnụọgụgụ *mean* eji kọwapụta ya dị n'usoro a

**Ọkwasa (Tebulu) No. 1**

| Ngụ | Mkpebi Okwu | Oke Nnabata |
|---|---|---|
| 1. | Ajusịrị m ịke | 1.00-1.74 |
| 2. | Ajụrụ m | 1.75-2.49 |
| 3. | Ekwere m | 2.50-3.24 |
| 4 | Ekwesiri m ike | 3.25-4.00 |

**4.2 Nhazigharị Njatule**

N'ebe a ka anyị hazigharịrị njatule anyị.

**4.3 Ajụjụ nchọcha nke mbụ:** N'ụzọ dị aṅaa ka usoro eji akụzi ihe ndị e zipụtara na kọrịkụlụm maka ọmụmụ asụsụ Igbo sịrị mejupụta atụmatụ e jiri hiwe amụmamụ 6-3-3-4 n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị ndị dị na ngalaba na-ahụ maka mmụta n'Aba, Abia steeti.

**Ọkwasa (Tebulu) No.2**

Ngụkọ miin maka ogugo nkwenye ndị nkụzi n'ebe o metụtara mputa ihe nke kọrikụlọm asụsụ Igbo dị ka ebumnuche e jiri hiwe amụmamụ 6-3-3-4 siri dị.

| NGỤ | NDỊNA | NN | M | SD | MKPEBI |
|---|---|---|---|---|---|
| 1. | A na-emejupụta ihe ndị dị na kọrịkulum ọhụrụ maka asụsụ Igbo dị ka ebumnuche eji hiwe amụmamụ 6-3-3-4 si dị. | 156 | 2.167 | 1.083 | Ajụrụ m |
| 2. | Kọrịkulum asụsụ Igbo n'amụmamụ 6-3-3-4 Nyere aka ikwalite nke ochie | 231 | 3.208 | 0.730 | Ekwere m |
| 3. | Ihe ndị edeputara na kọrịkulum asụsụ igbo buruNnukwu ibu, nke na-anaghị enweike ikuzicha ha tupu oge agwụ | 119 | 2.64 | 1.041 | Ekwere m |
| 4. | Ọ na-adịrị ndị gụrụ asụsụ Igbo mfe inweta ọrụ | 200 | 2.778 | 0.90 | Ekwere m |
| 5. | Ebumnuche nke e ji hiwe kọrịkulum asụsụ Igbona-apụta ihe na ndụ ụmụ akwụkwọ n'ebe o metụtara omenala dị iche iche | 204 | 2.833 | 0.935 | Ekwere m |

Na tebulu nke mbụ ngụkọ nke *mean* na-egosi na ndị zara ajụjụ ederede nke mbụ kwere na naani ụzọ ajụjụ anọ (2,3,4 na 5) dị ka o si metụta ebumnuche e jiri hiwe amụmamụ 6-3-3-4 ma jụụ ikwenye naani n'otu n'ime ihe ndị e depụtara na tebulu a. Nke a na-egosi na ihe ka n'ọnụọgụgụ n'ihe ndị edepụtara n'usoro

bara nnukwu uru n’ebe ebumnuche e jiri hiwe korịkụlọm asụsụ Igbo dị. Ngụkọ mkpebi mean malitere na 2.167 rue na 3.208. Etu o sila dị, ha kwenyere na ihe e depụtara n’usoro nke mbụ adabaghị nke ọma gbasatara kọrịkụlụm asụsụ Igbo dị ka ebumnuche e jiri hiwe amụmamụ 6-3-3-4 siri dị. Ngụkọta nke *sụtandaadị divieshọn (standard deviation)* bidoro na 0.730 rue na 1.083 na-egosipụta na nkwenye ndị zara ajụjụ dịcha nso nye ihe niile e depụtara n’usoro.

**4.4 Ajụjụ nchọcha nke abụọ:** Kedu ihe nhịamahụ dị iche iche a na-enwe site n’ikuzi asụsụ Igbo n’ụlọ akwụkwọ sekọndịrị ndị dị na ngalaba na-ahụ maka mmụta n’Aba, n’Abia steeti.

**Ọkwasa (Tebulu) No.3**

Ngụkọ *mean* nke ndị nkụzi asụsụ Igbo dị ka nkwenye ha si dị n’ebe o metụtara mkpa nke ihe nhịamahụ ọ bụla n’ebe nkụzi asụsụ Igbo dị, n’ụlọ akwụkwọ sekọndịrị ndị dị na ngalaba na-ahụ maka mmụta n’Aba.

| Ngụ | NDỊNA | NN | M | SD | MKPEBI |
|---|---|---|---|---|---|
| 6. | A na-enwe isiokwu ndị siriike n’ihe ọmụmụfọnọlọjị na mọfọlọji | 176 | 2.444 | 0.948 | Ajụrụ m |
| 7. | Ụmụ akwụkwọ na-agwakọrịta asụsụ abụọMgbe ha na-ekwu okwu, dị ka; Igbo na bekee | 205 | 2.847 | 0.847 | Ekwere m |
| 8. | Ụmụ akwụkwọ enweghị nghọta zuruoke maka ọtọgrafịị ugbua e ji eme ihe ọmụmụIgbo nakwa iwu usoro nsupe mkpụrụokwu | 181 | 2.514 | 1.021 | Ekwere m |
| 9. | Igbaso iwu ndakọrịta ụdaume na-abụru ụmụ akwụkwọ ihe nraahu | 156 | 1.167 | 1.086 | Ajụrụ m |
| 10. | Itinye akara ụdaolu na-abụrụ ụmụ Akwụkwọ ihe nhịamahụ | 220 | 3.056 | 0.837 | Ekwere m |
| 11. | Anaghị ahụta nkejiasụsụ out o kwesịrị n’edemede ụmụ akwụkwọ | 203 | 2.819 | 1.053 | Ekwere m |
| 12. | Enweghị ngwa nkụzi nakwa akọrọngwana-eme ka ụmụ akwụkwọ ghara ime nke n’ọmụmụ asụsụ Igbo | 221 | 3.069 | 0.939 | Ekwere m |
| 13. | Gọọmenti nwere nnukwu mmasị n’ikwadoamụmamụ sayensi karịa asụsụ Igbo na ihe ọmụmụ ndị ọzọ | 223 | 3.097 | 0.790 | Ekwere m |
| 14. | Oge e nyere klaasị ọ bụla maka ọmụmụ asụsụ ṛughị awa atọ n’ime izuụka | 202 | 2.806 | 0.959 | Ekwere m |
| 15. | Ejighị ọmụmụ asụsụ Igbo kpọrọ ihe nke ụmụ akwụkwọ bụ n’ihi agwa ndị nne nanna na-ebe ọmụmụ asụsụ Igbo dị | 201 | 2.792 | 0.944 | Ekwere m |

Nchọpụta nke ọkwasa nke abụọ na-egosi na ngụkọ *mean* nkwenye ndị zara ajụjụ bidoro na 2.444 rue na 3.097. Ndị zara ajụjụ ekwenyeghị na ihe e depụtara n'usoro nke isii na nke itoolu so na ihe nhịamahụ mere n'ọmụmụ asụsụ Igbo anaghị aga n'ihu dị ka o kwesịri, na ngalaba na-ahụ maka mmụta n'Aba, ma ha kwenyere na ihe ndị e depụtara n'usoro asatọ ndị fọdụrụ, dika ihe nhịamahụ siriike nke na-emegide nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo. Ngụkọ nke *sụtandaadị divieshọn (Standard deviation)* na-egosi na nkwenye ndị zara ajụjụ dikarịrị nso na ihe e depụtara n'usoro nke iri na atọ (sd= 0.790) ma dị obosara karịa na ihe e depụtara n'usoro nke itoolu (sd = 1.086).

## 4.5 Mkpebi Si Na Ntụcha Nchọcha

Ọkwasa nke mbụ nke nchọcha a bụ nke lekwasịrị anya gbasatara kọrịkụlụm ọhụrụ nke e ji eme ihe ọmụmụ asụsụ Igbo, n'amụmamụ 6-3-3-4 na-egosi na ndị nkụzi asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị ọha na eze nke dị na ngalaba na-ahụ maka mmụta n'Aba nwere ezigbo nkwenye na kọrịkụlụm ọhụrụ nke asụsụ Igbo dabara nke ọma n'ebumnuche e jiri hiwe amụmamụ 6-3-3-4. Nchọcha a dabara na nkwenye Adebisi (1999) nke na-ekwu na e kwesiri ka kọrịkụlụm bụrụ ihe a ga na-emegharị kwa mgbe, ka ọ na-adị ọhụrụ, ka o wee bụrụ ihe ga-adaba n'ụdị ihe a chọro, n'ụzọ ndị mmadụ si na-ebi ndụ. Nchọpụta a dabara nke ọma ma pụtakwa ihena ihe ndị e depụtara n'usoro nke abụọ n'ọkwasa nke mbụ, ebe e nwetara *mean* ka n'ọnụọgụgụ maka ya nke bụ (3.208) na *sụtandaadị divieshọn (standard deviation)* nke bụ (0.730). N'agbanyeghị nkwekọrịta na mkpebi nke ndịnkụzi na mpụtara nke kọrịkụlụm, nchọpụta na-egosi na nkwenye ha n'ebe o metụtara itinye ya n'ọrụ bụ nke ha adịghị eme nke ọma dị ka o kwesịrị. Nke a pụtara ihe site n'ọnụọgụgụ *mean* (2.167) na nke *sụtandaadị divieshọn* (1.083).

Nchọpụta a dabara na nchọputa ndi dị ka; Omibiyi-Obidike (2008), Agụ (2000) na Odunusi (1999), ndị nchọpụta ha na-akowa na enweghị ezigbo otu nchekwa e hiwere, ndị ga na-elebanye anya maka iwepụta ihe mgbanwe ma ọ bụ ihe ọhụrụ kwesiri ụlọ akwụkwọ. N'aka nke ọzọ, Adebola (1999) na nchọcha nke ya kwuru na a anaghị enye kọrịkụlụm ọhụrụ e wepụtara na Naijịrịa ihe nnwale kwesiri ya tupu a nabata ya. Ọ bụ n'ihi nke a mere na a na-agbanwe ihe ndị dị na korịkọlum na-ebughị ụzọ kwuo maka ọzụzụ a ga-enye ndịnkụzi, bụ ndị ga-akụzi ihe ndị ahụ a na-ede na kọrịkụlụm. Ikekwe, nchọpụta a bụ eziokwu site n'igbakwasi ụkwụ n'ihe gọọmenti mere n'eleghị anya n'azụ bụ isi n'amụmamụ 6-3-3-4 wee mafee na ọzo ha kpọro Mbido Amụmamụ Nzuruụwa (*Universal Basic Education UBE).*

Ọkwasa nke abụọ na-egosi mkpebi siri ike nke ndị nkụzi na-akụzi asụsụ Igbo n'ebe o metụtara ihe nhịamahụ dị iche iche a na-enwe n'ịkụzi asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị ọha na eze ndị dị na ngalaba na-ahụ maka mmụta n'Aba. Nkwekọrịta mkpebi ha gosiri na e nwere ihe nhịamahụ dị mkpa nke mere ka o

siere ọmụmụ asụsụ Igbo ike ịga n’ihu n’ụlọ akwụkwọ ndị a. Nsogbu ndị a gụnyere: enweghị nghọta zuru oke maka iwu usoro nsupe mkpụrụokwu nke nwere *mean*dị (2.514); ejighị ọmụmụ asụsụ Igbo kpọrọ ihe nke ụmụ akwụkwọ nke nwere *mean* dị (2.792); enyeghị ndịnkụzi ezigbo oge maka ikuzi asụsụ Igbo nke nwere *mean* (2.806); anaghị ewebata nkejiasụsụ otu o kwesịrị n’edemede nwere *mean* (2.819); ngwakọta asụsụ abụọ nke ụmụ akwụkwọ na-eme mgbe ha na-ekwu okwu nwere *mean* (2.847); nsogbu itinye akara ụdaolu nwere *mean* (3.056); enweghị ngwa nkụzi e ji akụzi ihe (3.069) na mmasị ndị gọọmenti nwere n’ikwado amụmamụ sayensi karịa ihe ọmụmụ asụsụ Igbo nke ọnụọgụgụ*mean* ya kacha, nke bụ (3.087).

Ngụkọ*mean* ndị a nke dị elu na-egosi na ndị nkụzi kwenyere n’ihe nhịamahụ ndi a niile ma ewezuga abụọ n’ime ha, nke gụnyere; nsogbu ụmụ akwụkwọ na-enwe n’igbaso iwu ndakọrịta ụdaume na nsogbu nke inwe isiokwu ndị siriike n’ihe ọmụmụ fọnọlọjị na mọfọlọjị nke ọnụọgụgụ miin ha dị (2.167) na (2.444) n’otu n’otu. Nchọputa a dabara na nke Kọlawole (1998) nke na-akọwa na nkụzi asụsụ Bekee bụ nke nwere ọtụtụ nsogbu dị ka; enyeghị ihe ọmụmụ oge kwesịrị ya, usoro nkụzi eji akụzi ihe nakwa akọrọngwa dị iche iche; N’otu aka ahụ, Opara (2005) kwuru na ndị Naijịrịa, ọkachasị otu ndị e were n’obodo bụ ọka ibe site n’ike na ihe ndị ọzọ dika ndị ọka mmụta, ka na-eleda asụsụ ara nne anya dị ka ihe na-ekwesighị ndị nọ n’ogo ha, nakwa ihe nwere ike iweda amamihe ha n’agbanyeghị ọnọdụ nke e nyere ya n’akwụkwọ iwu nke Naijịrịa, dị ka asụsụ nchekwa na nlekọta otu ihe si na-aga na inye iwu.

## 4.6 Ntụnye Aro

### 4.6.1 Aro nke mbụ:

Iji nweike inweta ihe ebu n’obi maka kọrịkụlụm ọhụrụ nke asụsụ Igbo dị ka ebumnuche eji hiwe amụmamụ 6-3-3-4 siri dị, n’ụlọ akwụkwọ sekọndịrị ọha na eze ndi dị na ngalaba na-ahụ maka mmụta n’Aba, na steeti Abia, ọ kwesiri ka gọọmenti steeti Abia na gọọmenti etiti, bụ ndị na-ahụ maka mmụta gbaa mbọ ihụ na a na-akụzi ihe ndị dị na kọrikọlum dị ka o kwesiri. Ọzọ, ndị na-ahụ maka kọrikụlọm asụsụ ga-agba mbọ ihụ na ha nyere oge zuruoke ka e wee lebanye ihe niile e depụtara anya nke ọma tupu amalite iwepụta ya dị ka ihe dị na korịkụlọm. Nke a ga-enyeaka ime ka e belata mkpebi ma ọ bu nkwenye akwụsi akwụsi nke nọ n’etiti amumamụ 6-3-3-4 na amụmamụ UBE.

### 4.6.2 Aro nke abụọ

Ndị nne na nna ga-agba mbọ ịhụ na ha na-akwagide ụmụ ha n’ebe o metụtara igụ na ide asụsụ Igbo. Nke a ga-eme ka ụmụ ha nwee mmasị ịgụ nakwa ide asụsụ. Ọ ga-emekwa ka ọmụmụ asụsụ na-aga n’ihu ma ghara idaghachi azụ.

### 4.6.3 Aro nke atọ

Ndị gọọmenti ga-agba mbọ ikwalite ụlọ akwụkwọ site n'ime ka ha nweta akọrongwa na ngwa nkụzi ha chọrọ nke ga-eme ka nkụzi na-aga n'ihu dị ka o kwesịrị nakwa ileba anya n'usoro atụmatụ iji mee ihe, ọkachasị n'ebe asụsụ Igbo na asụsụ ndị ọzọ dị, bụ nke a hapụrụ ma lekwasị naanị amụmamụ sayensi anya.

Na nchịkọta, mbunuche ndị nchọcha bụ na o bụrụ na a ga-elebanye ihe ndị a anya, ọ ga-enyeaka iweta mgbanwe n'ebe ihe nhịamahụ dị iche iche bụ nsogbu nye ụmụ akwụkwọ, ndị nkụzi na ọha na eze ndị nọ na ngalaba na-ahụ maka mmụta n'Aba n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo dị n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị ndị a.

### 4.7 Okwu Mmechi

Nchọcha a bụ maka amụmamụ 6-3-3-4 na ọnọdụ asụsụ n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị, lebara anya n'ụzọ abụọ dị mkpa dị ka o si metụta ebumnuche nchọcha abụọ bụ nke e ji mee nchọcha a. Ụzọ abụọ ndị a gụnyere; ihe gbasara kọrịkụlụm dị ka o si metụta ebumnuche e ji hiwe amụmamụ 6-3-3-4 na ihe nhịamahụ a na-ahụta nke na-eme ka ihe ọmụmụ ghara iga n'ihu nke ọma.Nnyocha sitere na nchọcha a na-egosi ụzọ ihe abụọ.

Nke mbụ bu na ihe ndị e depụtara na kọrịkụlụm asụsụ Igbo dabara nke ọma n'ebumnuche e jiri hiwe amụmamụ 6-3-3-4 mana ọ kụrụ afọ n'ala n'ebe o metụtara itinye ya n'ọrụ kemgbe ọ malitere.
Nke abụọ bụ na ihe nhịamahụ ndị e zutere gụnyere; enweghị oge zuruoke maka nkụzi asụsụ Igbo;enweghị mmasị nke ụmụ akwụkwọ n'ihi agwa ndị nne na nna ha n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo dị, yana mmasị ndị gọọmenti n'ikwalite ọmụmụ sayensi ma leghara ọmụmụ asụsụ Igbo n'asụsụ nka ndị ọzọ anya.

A hụtara ihe ndị a dị ka oke ihe nhịamahụ nke mere ka ọmụmụ ihe e depụtara na kọrikụlọm maka asụsụ Igbo ghara ịga n'ihu dị ka o kwesiri n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị ndị dị na ngalaba na-ahụ maka mmụta n'Aba, n'Abịa steeti bụ ebe e mere nchọcha.

### Edensibịa

Adebola, I.S (1999), Problems facing mathematics teaching and learning in Nigeria.*Nigerian Journal of Curriculum Studies. 6(1); 51-55.*

Agbanụsị, E.C (1987), Education and employment. The 6-3-3-4 system and youth empowerment.A critique. Ọgwashiuku: Martin Industrial Press and Publishing Company.

Aghenta, J.A (1986),The place of the 6-3-3-4 programme in the Nigerian secondary school of tomorrow. Daily Times, April 19.

Agụ, N.N (2000), Evaluation of teaching instruction model for implementing primary education curriculum: Primary teachers perception. In C.I. Okezue (Ed). *Journal of Primary Education 1(1); 61-73.*

Aguokagbue, C.N. (1994), Models of teaching. In Offorma (Ed). Curruculum and Instruction. Onitsha: Uni-world Educational Pub. (Nig.) Ltd

Egwim, J.C (2005), Multilingualism in Nigeria: A catalyst for national integration. *Conference Journal of Education. 2(1); 113-118.*

Gbenedio, B.G. (1999), Enhancing the quality of language teaching: Strategies, tensions and tendencies. In U.M. Nzewi (Ed). The teacher: A book of reading. Onitsha: Africana-FEP Pulishers Ltd. 15-27.

Idonor, D. (2010), Education: 6-3-3-4 has failed, those behind it should apologies, says Jonathan. News: October 4.

Offorma, G.C (1999), Secondary school teacher's assessment of the junior secondary school French curriculum. *Nigerian Journal of Curriculum Studies. 6(1); 104-108.*

Okeke, L.E (1999), Implications of the constraints on the implementation of senior secondary Igbo language curriculum for the development of functional skill in the students in Enugu state. *Nigerian Journal of Curriculum Studies. 6(1); 18-23.*

Okeogeoghene, E (2020), Evaluating the 6-3-3-4 system of Education in Nigeria. The Pointer, August,13.

Okoro, O.M (1993), The teaching of introductory technology in Nigerian secondary schools. In E.U. Anyakaọha & E.C. Osuala (Eds.) Vocational Teaching Education and Self Reliance. Nsukka: Nigeria Vocational Association.

Opoola, A.S. (2007), Harnessing human and material resources in achieving effective language teaching for peace and national development. *Journal of the National Association for the Promotion of Studies in Religions, Education, Languages and General Studies.*

Oyelere, R.U. (2015), Aflop or a success? An evaluation of the welfare impacts of the 6-3-3-4 education system in Nigeria. Department of Economics, Emony University and IZA, Bonn, Germany.

Rowland, V & Birkett, K (1992), Personal effectiveness for teachers. Great Britain: Simon & Schuster Educational Press.

Salami, O.S (1999), An appraisal of the L2 curricula in Nigerian languages at the junior secondary school level and improvement strategies. *Nigerian Journal of Curriculum Studies. 6(1); 39-43.*

Uga, S (2017). Implication of 6-3-3-4 system of education for junior secondary schools in Abakaliki urban.

Uwameiye, R (2000), An appraisal of teaching and vocational education in Nigerian secondary schools. *Journal of Nigerian Educational Research Association. 14; 33-40.*

Uwaifo, V.O & Uddin, P.S.O (2009). Transition from the 6-3-3-4 to the 9-3-4 system of education in Nigeria: An assessment of its implementation on technology subjects. *Studied on Home and Community Science, 3(2): 81-86.*